# Mmepe

OKWU EGO

**Ulo Oru Iri Itolu Na Afrika Kere Enyem Aka Onu Ego Di Nde Us Dolla** — **Otu Nkeji, Iri Timkom Ano Na Iri Na Ano Itolu.** — **3**
*Otutu ulo oru nke na enweghi enyem aka goment noghidere n'usoro ahia mgbere, ekeele diri ndi Ford Foundation*

**Mmepe Onu-ogugu** — **Iri Tinkom Ato** — **12**
*Umu odum nke afrika na-abia*

USORO OCHICHI

**Onu-ogu Nghoputa Gosiri Na Ndi Naijiria Juru Usoro Iwu Sharia** — **Nkeji Ato Na Tinkom Iri Na Asato** — **6**
*Nghoputa onu ogugu nke mbu emeere na steeti gosiri n'otutu ndi Naijiria anabataghi usoro iwu sharia.*

AHU IKE

**Etiti Mba Uwa Na Ebughi Polio** — **Nkeki Ano, Iri Tinkom Ato Na Otu** — **8**
*Uche nwanyi India echatala n'ogwu polio*

**Otu Mba Uwa Ga Ebu Agha Ebe Iba No Na Niger Delta.** — **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Asa** — **5**
*Otu medecins sans frontere na ebu agha n'oria kachasi egbu mmadu na Niger Delta.*

ORU IHE OMIMI

**Otu Un Agwala Obodo Ndi Na Etoolite Etoolite Ichoputa Umu Ihe Starch Bu** — **Otu Nkeji, Iri Tinkom Ise Na Otu** — **5**
*Otu ulo oru Food Na Agricture (FAO) na agba umu obodo afrika ume ibanye na ahia mgbere starch nke etiti mba uwa nile*

NDIOM

**Nwagboho Mere Ka Nro Ya Puta Ihe** — **Nkeji Ato,Iri Tinkom Ano Na Ise** — **10**
*Sara turu ugo mbu na uche ya na agbanyegi n' ihe aghom beere ya otu ukwu.*

**UNESCO Agwala Ndiom Ime Ka Abali Asato N'ime Onwa March K'oburu Ihe Akuko** — **Otu Nkeji, Iri Tinkom Ato Na Asa.** — **5**
*Amuma oke ubochi nyere inyom etiti mba uwa*

**Inyiom Rnanda Na Ekee Ndi Ikom Maka Nwulite Onodi Ezi N'ulo.** — **Nkeji Ato Na Iri Tinkom Abuo.** — **7**
*Umu oke onwu mmadu bu inyiom rnanda ikee ndi ikom.*

# Gburu - Gburu

ORU UGBO

**Enwe Bu Enyi Ndi Oru Ugbo** — **Otu Nkeji Na Tinkom Iri na isii** — **4**
*Na efu, enwe colobus gaeme onye oru ugbo umu aki bekee ogaranya*

**Nchta, Urukpu Ewetarala Otu Ime Obodo Ikute Ume Ndu N'ihi Unwu Ala Ji Ha Aka.** — **Nkeji Abuo, Iri Tinkom Ise Na Isii.** — **6**
*Otu ime obodo achoputala icheta urukpu maka inweta mmiri ezi n'ulo.*

| | | |
|---|---|---|
| **Aga Ekpochapu Umu Okuko Swazi**<br>*N'ihe, enweghi ezi aka oru, enwere ike ikpochapu umu okuko mba swaziland.* | **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Itolu** | **4** |
| OKE UNWU<br>**Usoro Omenala Na Enye Aka Nkwado Mkpochapu Unwu Ala**<br>*Amam ihe usoro omenala nwere ike iji imeghari unwu ala n'ime afrika.* | **Nkeji Ano Na Iri Tinkom Abuo Na Abuo** | **9** |
| AGHOM<br>**Ulo Oba Ego Etiti Mba Uwa Na Akwado Umu Obodo Dara Mgbenye Igho-kwa Ihe Aghom**<br>*Njiko aka nke etiti mba uwa na enye aka ibelata umu ihe aghom nke metutere igwe mmadu n'aku n'uba.* | **Iri Tinkom Ise Na Asato** | **3** |
| OKE OHIA<br>**Otu Mgbe Anyi Gburu Osisi, Ma Ugbua Anyi Nazi Eche-kwa Oke Ohia**<br>*Otu ime obodo tukwasiri obi n'igbu umu osiso emeghariala ugbu na iche kwa oke ohia* | **Nkeji Ato, Iri Tinkom Ise Na Asato.** | **5** |
| **Unhcr Akwadosiela Ike Mgbasa Ozi Gburu-gburu**<br>*Ntuteghari ndu ndi nke gbara oso ndu amaliteela na Northern Uganda.* | **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Isii** | **5** |
| **Amuma Nweputa Umu Usoro Iwu Ohuu Maka Iche-kwa Oke Ohia No Ugbu Aga N'ihu**<br>*Usoro iwu ohuu nke otu United Nation gbasatara oke ohia adila maka ime ya ka oputa ihe* | **Nkeji Ato Na Tinkom Asa** | **7** |

## *Ngalaba Umuntakiri*

| | | |
|---|---|---|
| **Akuko Etiti Nke Mba Afrika Banyere Zebra Mbu**<br>*Etu zebra siri nweta umu akara puru iche* | **Nkeji Ano Isi Tinkom Ano na itolu** | **10** |
| **Umu Ebi-ogwu**<br>*O dike ebi-ogwu enweghi ike izere umu ya na nsogbu?* | **Nkeji Ise Iri Tinkom Anao Na Ato** | **12** |
| **Ogwumagana O Na Egbu Onwe Ya N'imu Nwa?**<br>*Anachi ahu ogwumagana butere ndi mmadu aghotaghi na igbu ha.* | **Nkeji Abuo Na Tinkom Iri Na Otu** | **11** |
| **Kedu Umu Ochichca Jiri Di Ndu Ebe Ha Anaghi Enye Aka N'uzo Obula?**<br>*Ijiji na ochicha di nnukwu mkpa ka ikwenyere.* | **Iri Tinkom Ise Na Asato** | **12** |

# *Akuko*

**Ulo Oru Iri Itolu Na Afrika Kere Enyem Aka Onu Ego Di Nde Us Dolla Iri Na Ano.** **Otu Nkeji Iri Ano Tinkom Na Itolu**

Ihe ruru ulo oru iri itolu bu ndi nke na enweghi enyem aka usoro ochichi obula n'ime Afrika, ma nwe nwa obere onodi ochich nke ha natara enyem aka onu ego di nde u.s. dollar iri na ano n'aka otu Ford Foundation n'ime okara mbu nke ime afo gara-aga. Umu enyem aka ndia gbara n'usoro amuma uzo ato nke otu enyem aka. Ha gunyere owuwu ulo na mmepe ime obodo, udo na ezi ikpe itu ndu mana na muta aka na okpukpere chi.

Enyem aka a malitere na abali mbu nke onwa abuo wee rue iri abali ato na otu nke onwa ise na afo gara-aga sitere na iri puku u.s dolla ato wee rue otu nde u. s dolla bu kwa nke wee-kwara onwa ato n'ime afo ato. Adi obodo iri na ano n'ime mpaghara ogbe ano, nke nkeji uwa keetere nke a. Ha gunyere Egypt,Ghana, Kenya, Mozambigwe, Nambia, Naijiria, Senegal, Sierra Leone, South Afrika, Tanzania, Tunisa, Uganda, Zambia nja na Zimbabwe.

N'ime obodo ndi nke nwetere onyem aka a, bu umu ulo oru, mahadum, oru nche ekere uwa, oru mkpofu ihe, na usoro amuma mmepe obodo, ulo oru mgbasa ozi na otu ihe Ngosi egwuregwu. Otu oru nwere onwe maka oria mmikpo usoro ahu ike n'omumu, oru nche kwa ohia ime obodo na ndi nke na-agba mbo maka otu nwere onwe. Ndi ozo bu maka usoro ochichi onye mme uche ya, usoro iwu ochichi udo na nche-kwa obodo mmegbu umuntakiri tinyere umu ajoo usoro ihe ozo di iche iche.

Otu enyem aka a, leeba-kwara anya, n'umu ihe ndi ozo digasi obere dika, itu ndu manu, aku n'uba, omenala owuwu ulo ha na muta usoro amuma internet. Owere umu ogbe ebe ndi enyem aka a bu Ford Foundation, ndi mmadu nwere ezi amuma, umu ulo oru n'etiti mba uwa, iji wee kwado umu ochichi onye kwue uche ya, mbetata ubiam,na mmeghide ha na ikwado kwa udoo mmekorita aku n'etiti mba uwa ha na mbulielu onodi umu mmadu n'usoro aka oru ha imita mkpuru oma.

*Ford Foundation Report*

**Ulo Oba Ego Etiti Mba Uwa Na Akwado Umu Obodo Nke Dara Mgbenye Igho-kwa Ihe Aghom.** **Iri Tinkom Ise Na Asato.**

Otu ulo oba ego nke etiti mba uwa, ha na njikoo aka nke usoro ochichi etiti mba uwa enweela agbam onya nkemeetutere etiti uwa dum banyere inyere obodo ndi ahu na etoolite-etoolite igho-kwa ihe aghom nke chi ekeere uwa. Aha otu etiti mba uwa akporo *Provention Consortium* gunyere kwara ndi otu etiti mba uwa, nke meetutere ndi oru nkiti, ulo oru nche-kwa umu ihe aghom, mahadum na otu usoro ochichi nwere onwe.

Ozi nke si n'ulo oba ego nke etiti mba uwa na ekwu na ihe aghom nke chi ekere uwa egbueala ihe kariri iri puku mmadu ise ma mebie umu akuru ngwa kariri ijeri US dolla iri isii na ise n'ime afo 1998. Umu njinji onwu a gbara na obodo ndi ahu na etoolite-etoolite bu ebe akachasi nwe ubiam umu mmadu n'etiti uwa. Ihe aghom na akpotuwa mgbe nile na obodo ndia.Mbu n'uche Provention consortium a, bu igba ma obu kwado obodo ndia nke chi ekere uwa, dika ala ozize, ajoo ikuku oke idee owa mmiri na ebelata ndu umu mmadu n'usoro ya.

*Addis Tribune /africanew. org.*

**Otu Un Agwala Obodo Ndi Ahu Na Etoolite Etoolite Ichoputa Umu Ihe Starch Bu.** **Otu Nkeji, Iri Tinkom Ise Na Otu.**

Otu oru ugbo nke United Nations agwala umu ulo oru nyocha ihe omimi n'etiti obodo ndi na etoolite-etoolite ichoputa umu ihe nile nke starch bu maka inyere obodo ha aka isonye na asoroma mpi ahia mgbere nke etiti mba uwa. Morton Satin, bu onye isi oche oru ugbo Agro-Industries na Post Harvest, kwuru na imata umu ihe starch bu ga enyere oha na eze aka itu mgbere ahia n'etiti mba uwa n'etiti obodo ndiahu na etoolite-etoolite.

Umu ihe akuku ubi nke bu starch a, bu wheat, oka, ereesi potatoes, akpu na sago palm.Umu erimeri eji starch emebe bu baking, cereals, na snacks, ofe na sances,frozen food, natural flavour, beverage emulsifiers, powdered non-dairy creamers confections na dairy products. Umu ihe ejighi starch emebe bu adhesives, explosives, paper industry, construction industry metals, textite, cosmetic na pharmacenticals na mining. Morton Satin mere ka amata n'umu oru nyocha ihe starch a bu n'etiti obodo ndi a na etoolite etoolite bu nke ma agbanweghi o ga enye nsogbu ha iputa ihe n'etiti ahia mgbere starch n'uwa nile.

Ulo oru, oru ugbo a malitere oru ime nyocha umu ihe starch a bu n'ime otu afo gara aga, ma ugbu a obodo ebe ha no oru ihe omimi nyocha a, bu Italy ya na Thailand. Mgbe odi n'ihu otu ulo oru a ga akwado oru aka, chemical n'umu ihe ndi ozo starch bu. Satin mere ka odoo anya, na dika umu ihe akuku ubi ndi ozo na enwebeghi oru ihe nyocha ihe omimi na egosi na nchoputa umu ihe starch a bu itu okwee oka ibe n'usoro ahia mgbere nke etiti mba uwa.

*FAO*

**Enwe Bu Enyi Ndi Oru Ugbo** **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Isii**

Onwere ike buru ihe nwute di egwu ma o buru na enwe abaa na ugbo ogede ma o bu ubi oka di, ma nchoputa odi nso a, na egosi na ha nwere ike ime ka inwe kwue ego dika oru ugbo ma ha ghoro aki bekee nke na akaghi aka.

Kirstern Siex na Thomas Struhsaker nke ulo akwukwo mahadum Duke, Durham di na North Carolina na akowa site n'oru nyocha nke ha mere n'isi enwe mme-mme Colobus si mpaghara owuwa anyanwu Zanzibar na enwe na aghoo aki bekee dika ndi Islanders. Siex na struhsaker mere ka amata na ha ighoro umu aki bekee ndi ahu na akaghi-aka dika ndi akwughi ugwo oru na eme ka enwe umu aki bekee ndi ozo.

Nchoputa ha gosiri na osisi aki bekee nke ha ghoro isii n'ime ya mitara iri na otu na otu onwa, ebe nke ha ghoro iri n'ime ya mitara iri na asa gosiri nnukwu uru n'ime ya. Ndi oru ugbo keele-wa umu enwe karia igbu ha egbu bu okwu ndumadu Morton Siex na Thomas struhsaker.

*The Economist*

**Aga Ekpochapu Umu Okuko Swazi** **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Itolu**

Umu usoro okuko abuo nke mba Swaziland ka aga ekpochapu na nwa mgbe na adighi anya. Ndia bu okuko olu udele ha na okuko nwa mkpirisi ukwu. Isi ochichi ebe ahu kwe-nyere na nkea, lara na erimeri. Onye minista oru ugbo na otu co-operative bu Roy Fanourakis tara uta mkpochapu umu okuko ndia n'onodi enweghi ozuzu umu okuko n'ubiam nke ndi oru ugbo enweghi ike nchikota aka oru.

Ma etu osila di enwela agbam onya nleeba anya n'iku agburu umu okuko ndi si n'aka otu etiti ato nke mba uwa akporo United Nations Development programme (UNDP) Food and Agricultural Organisation (FAO) na Southern African Development Council (SADC) gbatara oso enyem aka mbuli elu onodi aku uba mba Swaziland. Roy Fanourakis nwere obi sie ike umu aka oru ndi a imuta ezi mkpuru oma maka nzulite usoro igwe mmadu ibi ezi ndu n'etiti ha.

*PANA*

**Unesco Agwala Ndiom Ime Ka Abali Asato N'ime Onwa March K'oburu Ihe Akuko** **Otu Nkeji Iri Tinkom Ato Na Asa.**

Arioola ndi otu ulo oru mgbasa ozi nile ikpebi ma kwanye igbasara ndiom abali asato nke onwa march iburu International Women's Day" Obu n' ime onwa February ka Koichiro Matsuura ji okwa Director General nke otu ulo oru United Nations Education Scientific and Cultural Organisation (UNESCO) kporo oku aririo nyere ndi isi otu ulo oru mgbasa ozi icheta abali asato iji mee ka ndiom buru isi akuko.
Oburu na nkea, agbaa, n'etiti ulo oru nta akuko na mgbasa ozi, imara na nkea bu nke mbu ihe akuko ndiom gbara n'etiti uwa nile.

Site n'onodi ohere di otua, n'etiti ulo oru mgbasa ozi nile, imata amata, na UNESCO choro iji ya wee gosi na ihe gbasatara oke agburu okpu-kpere-chi, nwoke na nwanyi akpaghi oke mmadu ibu onye isi onodi oru ono n'ime ya. Ocheta -kwaziri n' inyom bugasi ndi isi n'onodi ulo oru di iche iche, UNESCO hapuru ndi ulo oru mgbasa ozi enwe mkpebi n'ime ako n'uche ha.
*UNESCO.*

**Otuna Etiti Mba Uwa Ga Ebu Agha Mkpochapu Oria Iba Na Niger Delta** **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Asa**

Ka aga-chara ugboro abuo imee nleeta mpaghara Niger Delta nke Naijiria, Imata umu ugwo usoro ahu ike nke ha choro, otu mgbata oso enyem aka nke etiti mba uwa akporo MEDECINS SANS FRONTIERE (MSF) ekpebieala ihiwe usoro amuma mgbochi oria iba n'etiti ebe ahu. Umu ulo oru ogwu nyocha na egosi onodi onwu, n'umu onwu nyere nari puku mmadu bi na ogbe manu ala n'ala mmiri. Anuma a hiwere isi na Yenegoa, bu isi steeti Bayelsa nwere ndi isi ocha mmadu ise na ndi Naijiria iri mmadu ato bu ndi oru ahu ike. Aga enwe-kwa umu ugbo ala nke usoro ahu ike maka igaa-zu ebe nile.

Na agbanyegi oria iba n' oke oyi aga ehiwe kwa usoro amuma igbochi umu oria ndia.Otu Medecins San Frontiere anoola na obodo Naijria ka mgbe afo 1966 maka igbochi oria ogbu na mkpo nke enwere na mgbago ugwu.Umu oria ndi ozo nke ha na enyela aka kpochapu gunyere, oria onyuyu, akpata, na iba oji
*Medecins Sans Frontiens*

**Unhcr Akwadosiela Ike Mgbasa Ozi Gburu-gburu** **Otu Nkeji Na Tinkom Iri Na Isii.**

Otu United Nations High Commissionner for Refugees (UNHCR)agbadosiela ukwu ike na kwado mgbasa ozi meghidere ala unwu n'etiti ogbe ndi nile nke gbara oso ndu na Northern Uganda.N'onodi omumu ihe ozuzu nke nwere na Kampala, Uganda, Adera Tsegaye ji okwa osoje onye nnochite anya UNHCR kwuru na UN anatala onu ego di iri nde US dolla ano na abuo si n'aka otu ulo oru ministry okwu aku n'uba mba Germany (BMZ) iji wee ghazie ma belata umu ala unwa n'etiti ogbe ndi nke no izee ndu na Northern Uganda.

Tsegaye kwuru na aga eji ego a wee ruo oru nche kwa oke ohia, nche-kwa osi mmiri, ikpo aja tinyere izi muta mgbasa ozi banyere usoro amuma a, nyere ndi nke no oso ndu ha na ndi agbataobi ime obodo ndi ozo. Nkea abughi nke mbu otu BMZ na ezite enyem aka na mpaghara. Ha akwadola umu oru ngo na Northern Uganda malite n'ime afo 1966 wee afo 1999.

Tsegaye kwuru n'umu oru ngo ohuru a, ga enye aka n'usoro amuma oru di iche iche nyere ndi nke no oso ndu na ogbo ndi ozo dika Arua,Koboko, Adjumarri na Moyo bu ndi nke ohia ka foro na ya.
*New Vision/African News on Line.*

**Ncheta Umu Urukpu Ewetala Otu Ime Obodo Nkeji Abuo Na Iri Tinkom Ise Na Isii**
**Ikute Ume Ndu, N'ihi Oke Unwu Ala Ji Ha Aka**

Otu ime obodo nwere ugwu akporo Caleta Chungungo, kachasi, nwe unwu ala na mpaghara Chile nke South Amerika, achoputala uzo ha si eche-kwa be ha oge unwu site na icheta umu urukpu. Caleta no na akponwu wee rue mgbe enwetere onye oru nche-kwa gburu gburu nke si Chile, gbakoro aka ha na onye oru, ihe omimi si mba Canada nwere nkwado onu ego nke sina aka ndi otu etiti mba uwa, kpebiri iwere ihe kachainu n'ime obodo a nwere akporo Chamanchala bu urukpu di nso na-kwa aga fee kwa abali wee ruo oru.

Icheta urukpu siri ike dika onye choro ikpuchi egwurugwu n'ime olulo, ma ndi bi na Caleta mara etu ha si eme nkea. Ha nwere ubu iri asato na isii nke ha na ekoosa na ahawa ka mgbo mgbasa ozi iji wee cheeta Chamanchala na elu ugwu ma ogafeewa. Umu aku mmiri igwe na ejuwa na elu ubu ndia mgbe ha buru ibu na malite itaisi bu nke igburu owa ibanye na mkpo ihe nchedo. Ana aza`ya wee tinye ya Chlorine tupu anuo ya, n'ubochi oma ana enweta nari litre asa na mmiri.

Ndi obodo Caleta ka ndi ogbo ha mma, Ha no na onodi usoro mmiri ozuzo di nari asa mm kwa afo. Ndi ime obodo Caleta nati mmadu ato na iri ise tukwasiri obi n'umu miri nke ha na ekutewe. Nkea na diwa oke onu ahia nyere ndi oru ugbo choro ibi ndu. Ma etu osila di, urukpu na enyewa mmiri di nari puku ato litres kwa onwa, bu kira ugbo ala iri ato n'usoro ya. Nari litre ato nyere otu dolla, mmiri urukpu bu okara ise n'onu ego izu mmiri n'ugbo ala. Benjamin Quijandria bu onye Latin Amerika amara nke oma na ihe gbasatara International fund for Agricultural Development na Rome kwuru na nkea nyere aka ikausi ndi oru ugbo ipu na Caleta. Nwa amadi a nye-kwara aka ikwado oru ngo a. Ufodi ndi oru ugbo no mgbere ahia a, egosila mmasi ha isonye na oru ngo a. Ha no na amuma imubanye usoro oru ngo a maka ibelata oke ego igbu owa mmiri na ugbo ha.

*The Economist*

## *Ihe Ejiri Mara*

**Onu - Ogugu Nghoputa Gosiri Na Ndi Naijiria Juru Nkeji Ato Na Tinkom Iri Na Asato**
**Usoro Iwu Sharia.**

Onu ogugu nke ndi ulo oru mgbasa ozi nwere njiko aka Gallup nke etiti mba uwa meerekwara odi nso a, na egosi na ndi Naijiria juru steeti ndi nke weebatara usoro iwu Sharia ehiwere na Zamfara steeti bu North-western Nigeria ka mgbe onwa iri na otu nke afo 1999. Nnupu isi a kara sie ike n'etiti oke agburu, umu mpaghara di iche iche tumadi ndi otu Kraist si ndida anyanwu obodo a. Enwe kwara onu ogugu buru ibu na North nke gunyere ndi otu ulo Alakuba ha na ndi otu Karist ma nke a akwusighi nhiwe iwu a n'etiti steeti asato enwere na Norther States site na ndunye ukwu obere onu ogugu na steeti ndia.

N'igba ajuju onu nke emere n'etiti puku mmadu ise, n'etiti steeti nile enwere n'ala anyi ewepukwa nani Zamfara steeti, RMS bu ulo oru mgbasa ozi choputara n'okara ndi ala anyi juru -aju inabata iwu Sharia na Zamfara steeti, ebe otu n'ime ato nabatara. Otutu ndi ndida anyanwu juru aju ebe Legos steeti achoghi ya mkpa-kpam, ndi nke sonyerenu kwu owuwa na odida anyanwu. Ha enweghi ike ime choputa ha na Zamfara steeti n'ihi na odighi mfe iru oru ebe ahu ma otu. Otu n'ime steeti ato enwere na North nabatara ya, ebe otu n'ime iri noro no nke onwe ha. Nkea bu ihe itu na anya ebe ekwetere na onye obula ga akwado ya dika isi ochichi Zamfarana Niger steeti siri weebata usoro iwu ndi otu ulo uka Alakuba.
Obu ezi okwu na enwere ndi nke juru iwu a na steeti ndi ehiwere ya, ma nyocha na egosi nkwado ya na etiti steeti asa nke kachasi di n'etiti North East ha na North West. Mana Niger steeti gosiri iri percent ato na otu juru ebe Kaduna steeti di iri percent ise na asato, Ndi juru na steeti ha bu Bauchi,Adamawa,Gombe,Kogi,Nassarawa,Taraba na Plateau di iri percent ato na ano wee rue iri percent asa na ise.

Mmadu abuo n'ime mmadu ato na Naijiria juru okara na North, na otu n'ime mmadu ato bu ndi Moslem kwenyere ka Gomenti Etiti gbadosie ukwu ike ikwusi Zamfara steeti hiwere iwu Sharia a. President Olusegun Obasanjo achoghi inye ohere nke ona ekpo oku ma obu juo oyi. Umu igbachite nkiti a, mere otutu steeti ndi ozo ji agbaso steeti ndi hiwerenu na ehiwe nke ha. Ono aka-na-chi Niger steeti kwuru na ya nwetere ndunye ukwu onye obula na steeti ya wee na ihiwe nkea bu nnukwu asi. Achoputara na ndi Kaduna steeti agaghi anabata nkea ma otu.

Nchoputa ozo gosi-kwara na enwere nupu isi n'udi odi iwu di otu bu nke gaesi n'aka ndi otu Kraist puta mana otutu ndi Moslem di kwa na njikere inabata iwu ndi otu Karist karia nke ha.
*RMS*

**Inyom Na Rwanda Nazi Ekee Ndikom Maka Nwulite Onodi Ezi N'ulo.** **Nkeji Ato Na Iri Tinkom Abuo.**

N'ihi ogbugbu ogburu nke ime afo 1994,otutu inyom na enweghi ike ichota di n'umu aka, nazi enwe mmeko nwoke na nwanyi aghara-aghara iji wee wulite onodi ezi n'ulo.Agwa bu oke ujoo nyere ndi oru ahu ike choputara n'otutu ndi mmadu buzi oria mmikpoa n'ihi nkea. Josephine Nyinawankusi ka di n'umu ano n'ime ise ya nwuru anwu, odiya ojoo idoochi ezi n'ulo ya n'ihi nkea, na ya ga eme ihe obula nke onwere ike imenu na agbanyi ndu ya.Okwuru na obibi ndu enweghi di n'umu aka abughi ndu na Rwanda di di uko mana enwerem ike imuta umu aka.

Na ime nkea, onazi enwe mmeko ha na umu nwoke ozo dika otu ndi ibe ya si eme.Egburu otutu ndi ikom na onwu agburu a ebe ufodi ka aturu mkporo.Osiri ike nwanyi dika ya inweta di mana igbagba dika inyom ndi ozo bu iji ndu ya ebunye oria mmikpo. Amam maka oria mmikpo mana onodi ezi n'ulo ka mkpa ime. Usoro mmekorita onodi nwoke na nwanyi a ka ha kporo KWINJIRA bu nke di ubara n'etiti ime obodo Rwanda ka mgbe egbu chara ndia.Nkea di ojoo na Central Rwanda ebe nari puku mmadu asato ka egburu.N'ufodi ogbe umu nwoke di iri percent abuo mejuputara onu ogu isi ogbe ahu. Ihe kariri percent iri na otu ka achoputara bu nje oria mmikpo a na Rwanda.Ndi oru ahu ike weere onodi a dika ogbugbu egburu nke abuo. Dr Kdephonse kanali na aru oru n'ulo ogwu Kabgayi nke obodo Gitarama kwuru na iri percent ise ndi nke ya were gosiri na ha bu nje oria mmikpo a na ezi okwu.

Onye Director AIDS Control Programme bu Innocent Ntaganira kwuru na ndi nke bu oria mmikpo di iri percent isii weere akwa n'ulo ogwu,ebe ihe kariri nari puku abuo ndi Rwandas, iri puku ise umu aka anwuola maka oria mmikpo. Idu ndi nke laanahara agha mkpochapu nke etiti mba nke abuo adighi mfe ma otu.Ndi nke di ndu kwenyere na itu ndu manu kedu ihe ha ga eji atu egwu oria onwu ga egbu ha na afo iri n'ihu? Na ebe inyom no, oburu oria mmikpo bu nsogbu di ukwu bu nke ha ga agabiga iji wulite ezi n'ulo ha, had di kwa na njikere maka nkea.
*Desertnews.com*

**Amuma Nweputa Umu Usoro Iwu Ohuu Maka Iche Kwa Oke Ohia No Ugbua Aga N'ihu.** **Nkeji Ato Na Tinkom Asa**

Ihe gbasatara oke ohia n' usoro onodi ya na okwu aku n'uba nke etiti mba uwa, meere ojiri buru isi okwu n'onodi ububo otu United State of Amerika(USA) na United Nations Environment Programme (UNEP)

Onodi nzuko nke otu United Nations Inter Governmental torum maka oke ohia (IFF) enwere na New York malitere na iri abali ato na otu nke onwa January wee rue abali iri na otu nke onwa February kpara ububo nke etiti maka iche-kwa umu oke ohia di iche iche n'etiti mba uwa. Na U.S.A ububo oke ohia nwere onodi n'usoro nweta na mmefu onu ego nke ime afo 2001 President Bill Uniton zipuru. Ihe ejiri mara ya bu Greening the Globe bu amuma ohuru nke Uniton Uniton weeputara maka "debt-for nature swap'

bu kwa ebe agbaghara umu ufodu obodo ugwo ha ji ma oburu na ha ekweta ikwughachi umu ugwo ndia n'usoro iche-kwa chi ekeere uwa. Otu onodi Intergovernmental Forest Forum bu nke ano na nke ikpe azu n'udi ya.Umu mkpebi ikpe azu ya ka aga enye n'ime onwa April n'onodi nzuko UN Commission on Sustainable Development for Action

Onodi nzuko a, kpara ububo banyere ulo oru na usoro iwu aga agbasoro aga eji eche-kwu umu oke ohia di iche iche.Ha leebara anya n'umu ihe ndi nke na ebute isu ohia,n'umu unwu ala, nche-kwa oke ohia, na ogbe ya. Ihe achoro na obodo ndi nwe obere oke ohia, onodi ohia ndia, nchedo,na umu anumanu, azuma ahia n'usoro inyefe oru nto n'uzu na otu esi enwete ego. Umu unwu ala no na aga n'ihu n'etiti obodo ndi na etoolite etoolite n'ihi okpukpa nku ha na usoro oru ugbo bu nchoputa UNEP. Global Environment outlook 2000, ufodi oke ohia di iri nde hectare isii na ise furu na efu malite n'ime afo 1990 na 1995 n'ime nde puku ato na nari ise hectares. Umu ohia ndi nke foro afo ka igba oku, ikpa nku, n'ulo mmiri tinyere acidification na eyi egwu.

Mazi Klaus Toepfer ji okwa Executive Director UNEP weeputara umu akwukwo usoro iwu n'onodi nzuko a, wee na agwa ndi nke no na oke nzuko a iche echiche banyere inwe oke ohia nke ga eweta aku n'uba, ulo oru mbo, usoro omenala, onodi itu ndu manu ha na umu uru oru nke metutere gburu gburu. Nche kwa oke ohia na gburu gburu anyi ga enye aka itu ndu manu n'usoro okwu aku n'uba. Anyi kwesi ikwusi ubiam, unwu, uko umeoku n'unwu ala. Mazi Toepfer gbakwunyere na iwu ohuru nke UNEP ga amalite imejuputa n'usoro amuma ya ga enye kwa aka nyere ndi otu etiti mba uwa ichikota aka oru ma kwalite njiko onu n'etiti otu mba uwa na nkwekorita ha.
*UNEP*

**Etiti Mba Uwa Na Ebughi Polio Nkeji Ano, Na Iri Tinkom Ato Na Otu.**

Ka uwa na eleejeere Afrika na Asia anya maka nzo ukwu ikpe azu ikpochapu oria mkponwu ahu, otu onye oru nta akuko nke si India nwere mkponwu ahu ka onuchara ogwu ogbugba oria a, kwuru n'umu ogwu ogbugba ndia ka bu otu uzo mitara mkpuru oma igbochi oria mkponwu ahua. Otu n'ime nde mmadu ato ndi nke agbara ogwu OPV na enwe mkponwu ahu. Amaka otu njoo ya siri di, uru ya kariri akari nke metutere ndu puku nde puku mmadu kwa afo. Ulo oru ahu ike nke etiti mba uwa anabatala ogwu opu dika mbu n'uche ya ikpochapu Global Polio Eradication Initiative ebe ona agwo oria karia IPV. Ihe kariri otu ijeri ogwu OPV ka ana agba kwa afo n'etiti uwa nile.

Ka m na edee ugbua, iri afo ato na otu gara-aga, enweghi ogwuwo oria mkponwu ahu,mana enwere usoro mgbochi oria mkponwu ahu na mgbasa ozi n'etiti uwa nile maka ikpochapu oria mkponwu ahu a na mmechi afo a ubochi taa oria mkponwu ahu a bu kwa nke amara dika mkponwu ahu umuntakiri ka ekpochapurula nke ukwu n'etiti uwa.Nani ebe ndi aka nwe umu nje oria mkponwu ahu a na mba Sub-Saharan Afrika na South Asia.N'ututu oma, nke onwa iri gbara abali isii nke ime afo 1967, kam jikeechara wee soro nna nnam ga igbaa agwu mkponwu ahu, kam no na abu abu na aga na amataghi n'ubochi ahu bu ubochi ikpe azu m ji ukwu abuo wee jee ije

Allobataram nye mkpesa maka oke oyi n'ukwu mgbu anaghim echefu abali ama otu n'ime ndum nnne nnem duom jee na ama, ukwu aka okpe m nwuru onwu ebe ma enweghi ike ikwu otoo, etirim mkpu na oke olu n'ihi ihe mgbu.

N'ubochi sotere nkea umu aka ndi ozo juputara Jaipur isi obodo Western India State of Rajasthan. Owee chara izuka abuo tupu achoputa n'obu oria mkponwu ahu mmeme ncheta omunu m afo ato foro nani otu onwa, mgbe adaala m ngwuro o bu n'ime afo 1967. Oria seelltara isi ka mgbe iri afo abuo n'etiti obodo ndi toolitere etoolite malitere n'ime afo 1940 wee rue 1960 kuru otutu umuntokiri ngwuruo kwa afo, ka eche kwara site na eweputa ezi umu ogbugba ogwu mgbochi ya Dokinta Jonas Salk nke mba USA mmeputere

Inactivated Polio Vaccine IPV na afo 1955. Nkea bu nje umu oria a ka agbara ndi mmadu. N'ime afo 1961 ka onye ogboo ya turu ya aka ebe bu Dokinta Albert Sabin meputara ogwu Oral Polio Vaccine OPV. OPV a bu umu POlio di ndu bu nke na adighi akpa ike Na India esi Russia wee bubata OPV. na ebe uju ahu oyi ya maka iru oru etu okwesiri adighi mma na India. Ugbua enweghi umu Vaccine Vial Monitors (VVM) na enye aka imata ma anwu ma obu oku ometutere umu ogwu ndia. Ufodi mere ka m mata n'umu ogwu ndi ahu nke agbara m n'umu ka ndi ozo na ogbe Rajasthan agafela oge ya. Ufodu si na ahapuru ya na anwu n'odu ugbo elu. nchikota okwu ha nile bu na mgbe obula anwu ma obu uwu oku meetutere ya n'ihi ya odighi mma. Nmata banyere oria mkponwu ahu a na India n'ime afo 1960 di obere nke mere ndu umuntakiri jiri laa n'iyi. Ndi oru ahu ike nke India weere nselite oria mkponwu ahu kechiri umuntakiri tupu eweputa umu ogwu mgbochi oria ya.

**Usoro Omenala Na Enye Aka Nkwusi Unwu Ala Nkeji Ano Na Iri Tinkom Abuo Na Abuo.**

Enwela nchikota oru nyocha nke usoro omenala bu nke ndi oru ugbo bi n'etiti unwu ala Sub-Saharan Afrika jiri biri.Emere nkea iji wee hu na enweghi uko erimeri na ibelata ubiam ha na nkwado aka oru ime oru nyocha. Obu ndi otu oru Desert Margins Programme of the Consultative Group on International Agricultural Research (CGIAR) oru nyochaa chikotara umu ako n'uche nyere aka nche-kwa, ma choputa n' umu ako n'uche ndia enwere n'ime obodo na apu n'anya. Umu iwu nile nke nyere aka ihu na ndi mmadu biri na udo ha na chi ekere uwa ka eji nwayo na emebisi na amataghi n'ihi enweghi uzo ozo.N'ihi nkea ka ejiri hiwe The Desert Margnis Programme iche kwa umu ako n'uche ndia. Umu ogbe ime obodo ndi nke di na mba Kenya na Burkina Faso so kwa na ndi nke achikotara n'umu akwukwo oru nyocha. Ime obodo Turkana nke Northwestern Kenya, na ana ataa onye obula nke enwetere gburu osisi ahuhu n'ime ohia Moru Anayeche, n'ihi na ewere oke ohia a dika ihe di nso bu ebe ha siri puta. Ihe ozo ndi ime obodo a ji eche kwa oke ohia a bu muo ndi nke nwuru n'umu akuko okpu iche-kwa umu osisi n'umu mkpuru ihe nke akuru di nso ebe na ekpere mmiri n'ulo. Obu ndi okonye nwe oke ohia a ma nche-kwa ya bu oru diri ndi obodo dum.

Na otu aka ahu, na Burkina Faso ufodi ndi ime obodo na aku umu osisi dika Acacla albida na ugbo ha n'ihi na ha kwenyere na osisi a na enye aka umu mkpuru ihe ubi idi ubara. Ha kwenye kwara na nkughachi azu umu mkpuru ihe ubi enwetere na ugbo ha. Ndi ime obodo adaghi ekwe umu akuku ubi dika Panicum Lactum (Fonio) na Cenchrus Bilflorus bu nke ama dika (Cram-Cram) ka ewere ha mere nku n'ihi na ana eri mkpuru ya na oge okochi bu "Oge Agu/Unwu" bu kwa mgbe enweghi umu mkpuru akuku ubi dika Millet na Sorghum. Obu odi nso a, ka ndi oru ugbo Sahelian na ndi nke na aku oku umu anu soro udu mmiri mgbago ugwu na oge udu mmiri wee gbadata n'ala ahihia ndu di na ndida na oge okochi ana akuwa umu ihe akuku ubi mana ana ahapu ala ndia otutu oge maka izughari obosara ala ndi nri. mana ugbu onu ogu ndi mmadu banyere, enweghi umu obasara ala ndia, nke ana enwe obosara ana ahapu na efu.

Nkea mere ndi ime obodo jiri hapu ndu oru ugbo ha, wee na anobiga ala oke, oke okuko ihe na umu anu ikpa nri maka iji zoo ndu ha na mpaghara ime obodo a. Oru nchoputa a na egosi oke unwu ala, agu na mblata ndu na gburugburu nke mmadu. Nsogbu ndia diri otutu ogo n'ime nkeji uwa nke Afrika site na-afo 1968 rue afo 1973. Umu ala nri ghoro unwu ala ebe puku nde puku mmadu n'umu anumanu nwuru onwu n'ihi agu. Otu onye okacha-mara n'usoro iwu na akuru sayensi kwenyere ma kweta-kwa n'oburu na enwe ike iche-kwa umu unwu ala ndia, na oga adaju otu mgbe. Usoro imejuputa nkea butere nhiwe otu Desert Margins Programme nke nwere mbinye aka n'ime akwukwo nkwado otu di iche iche.Ndia gunyere Ulo Oba Ego nke Etiti Mba Uwa nile, The Eco Regional Fund, United State Agency for International Development (USAID) The Global Environmental Facility (GEF) na International Development Research Centre (IDRC). Amuma ndia di ire n'etiti obodo itolu n'ime Afrika-ka bu Botswana, Burkina Faso, Kenya, Mali, Namibia, Niger, Senegla, South Afrika na Zimbabwe.

*CGIAR NEWS*

**Otu Mgbe Anyi Gburu Osisi, Ma Ugbua Anyi Na Eche-kwa Umu Oke Ohia** **Nkeji Ato,Iri Tinkom Ise Na Asato**

Okporo uzo odu ugbo elu Redding wee rue Hayfork bu obere ime obodo nke bu puku mmadu abuo jiri nwayo n'odu na oke ohia Trinity National nke California akuku Northwest nwere ugwu umu ahihia ndu ikuku oma si aga efe. Nkea bu uzo Iynn Jungwirth si aga njem mgbe dum kowara onodi ya. Omume ya, egbuwala uzo awara awa akuko ime obodo be ha,izu oke n'etiti mba uwa ebe ime obodo ya mata kwara ihe na eme n'etiti mba uwa.

Oke ohia nke isi oduchi etiti nwe kpachiri obosarala di iri percent asa,na ise na Trinity Country bu nghanta-ngha ochichi ime obodo. Ndi ime obodo tukwasiri obi ha n'umu oke osisi si Califonia. N'umu ububo gbasatara odi mma nke oke ohia Amerika mgbe odi n'ihu Lynn Jungwrith bu otu oke olu nyere ndi ime obodo a, tukwasiri obi ha n'umu aku ime ndia ma ugbua nacho otu esi achikota aka oru umu ihe ndia. N'ime afo 1980s na 1990 nsogbu banyere oke ohia USA siri ike n'etiti ndi oru nche-kwa gburugburu na ndi nke egbu osisi otutu chere na onodi oru ha nwere nsogbu ejighi anya oma wee so okwu ebe ha luru ogu maka nkea. Ihe kariri iri nde mmadu bi n'ime obodo a bu ebe ndi ji oru oke ohia akpa nri.

Lynn Jungwirth gbara iri afo ise na otu si na ezi n'ulo na egbu osisi eji atu mgbere ahia kwenyere na enwere uzo aga eji eso umu aku ohia ndia omitara oha obodo mkpuru oma ga abara obodo uru. Nkea na eme mgbe okwu onodi nkowa oru di n'etiti ndi nche-kwa gburu gburu obodo.Enwere ndi isi na nu oku n'etiti U.S.A no na acho uzo ha si azu ndi na egbu osisi inochi ma che-kwa osisi mmiri na ikpere mmiri nke chekwara ndu oke ohia a. Oru a nabatara umu ime obodo maka ezi nchikota aka oru.O di kwa nyere ndi oru igbu osisi sime obodo Hayfork na agba mbo ndi di ndu n'ihi na o bu nnukwu olile anya ha.

N'ime afo 1993 ka Jungwirth malitere oru nyocha a n'ozuzu iji hu na nkea nwere isi na obodo ya. Na afo 1996 n'ihi aka oru ya na Hayfork akporo ya ka osonyere otu obodo amuma nke otu Seventh American Forest Congress nwere nkwado Ford Foundation. Ka ana ekwu okwu banyere otu ,oru nyocha a, otu maka usoro iwu nke ezo maka muta, Jungwirth chetara na ya juru ajuju kedu maka otu ndi obodo. N'ihi na agbanyegi umu amuma iwu muta nile nke aturu ma enweghi ndi mmadu nke ga awaghide mmejuputa ogaghi enwe isi ma otu. Ubochi taa otu ndi ime obodo nke ya onwe bu onye isi oche nwere ngalaba oru etiti di nari ato otu ndi ozo ebe isi onodi mkparita ububo na amuma ha bu na U.S.A.

Ndi oru oke ohia si India, Mozambigwe na China na bia Hayfork imuru umu oru gbasatara orua ma tugharita uche.Ufodi umu amuma ohuru atuputara ka ana atulee n'ime obodo ndi ozo. Lynn Jungwirth kwenyere na oru ndi ime obodo nke nwe kwara nchikota aka oru ndi ozo, bu ebe obodo ndi ozo dika Hayfork nwere ike ikeewaputa usoro onodi aka oru ndi ozo maka odi mma na ibi ndu ha. Ufodi oge ona enwe olile anya akpachapuru anya. Mana oka huru n'uzo ya ka teere aka mgbe odi n'ihi.

*Ford Foundation Report*

## *Ngalaba Umuntakiri*

**Akuko Si Central Afrika Maka Zebra Mbu** **Nkeji Ano,Iri Tinkom Ano Na Asato.**

Na mbido mgbe ihe nile di ohuru n'elu uwa, umu anumanu nile di na otu. Onweghi nke nwere mpi puruiche ma o bu udidi mara mma, mana nnukwu ogba diketere akuku osimmiri nke nnukwu odo mmiri enwere udi mpi na mkpuchi tinyere udidi obula. Akpokuru umu anumanu nile nke no na elu ala ahihia ndu iga na ogba n'ututu ya, ma ghoro mpi obula na mkpuchi masiri ya.Nkea bu onu di ukwu na echiche ihe aga enweta, umu anumanu nile di kwa na njikere ihu udi mkpuchi na mpi ha nwere. Ha dum, ewepu nani Zebra mkpa ya bu erimeri na ezie amara ya dika anu nwere oke afo n'etiti umu anumanu ndi ozo.Mgbe umu anumanu ndia nile ji uzo ututu wee jee na ogba a Zebra esonyeghi ha. Oburu na oga aga njem a oga enwe nnukwu erimeri nke ga ebu ya, ohughi ihe umu anumanu jiri nwe masi banyere mkpuchi na mpi. Umu anumanu ndi

ozo kporo ya ka osoro ha, osi ha gawa na ya na abia mgbe orichara nri ututu.Okpu erimeri juru ya onu wee kwue okwu a mere iwe jiri wee umu anumanu ha gaawa echeghi ya. Mgbe otutu awa gaa-chara bu mgbe Zebra huru na ya erijueala afo.Ojiri nwayo so wee umu anumanu n'usoro aghiri ha tooro mgbe Zebra na eru ogba ufodi umu anumanu amalitela iloghichi azu n'elu ala, ma Zebra nwere ihe itu n'anya ihu udidi ha Enyi ala nwere nnukwu mkpuchi dooro edoo ha. na ezi odu abuo Odum nwetere ezi mirimiri mkpuchi ha na aji olu oji di ogologo. Sable nwetere mkpuchi owu aji oji ha na mpi roro aro.

Na otu na otu Zebra gaafeere umu anumanu ndia na mma ha na ikpe azu ka obanya ogbaa, ozutere Rhinoceros. Rhino were mkpuchi kariri ya ahu ka ohuru ya, ozo kwa bu na owere mpi abuo na aghaghi otu kwunye n'imi ya. Nchikota ihe nile bu na Rhino joro njo ma odi ya mma. Mgbe Zebra banyere ogba, nani mkpuchi onwetara b nke di ocha na oji ma ohughi mpi obula. N'ihi oke ogologo njem a agu malitere guwa Zebra,owere oso wee lee mkpuchi nke ohuru ka agu no na agu si ya ike owere mkpuchi a puta na echeghi maka mpi ma otu.Na elu ala umu anu nile na ekiri onwe ha enyerita onwe ha ekeele.Mgbe Zebra bogotara na elu ala, oleeghara umu anu ndi ozo anya malite iri nri ya otu mgbe.Umu anumanu ndi ozo huru mkpuchi ocha na nke oji ya ma ha kwara ya emu na ochi.

Leenu oke afo orinri Zebra na mkpuchi ocha na oji ya na enweghi mpi nkea bu emu Duiler kwuputara.Otu mgbe umu anu ndi ozo malitere ibu abu. Zebra achoghi ima. Kedu uru mpi bara mgbe m enwere umu ahihia ndu buru ibu m ga eri mgbe m choro.Wee rue kwa ubochi taa Zebra achoghi mpi obula kama ona eburu onwe ya ibu na ama abuba n'udidi mkpuchi ocha na nke oji ya.

*When Hippo Was Hairy*

**Ogwumagana, Ona Egbu Onwe Ya N'imu Nwa? Nkeji Abuo Na Tinkom Iri Na Otu**

Enwere akuko ifo na East Afrika na ekwu na Ogwumagana choro imu nwa, origoro n'elu osisi, si na elu ebe ahu daa gbawa iji musia umu.Ma akuko ifo a abughi ezi okwu ma ifo a gbara ebe nile.Kedu ihe akuko ifo a jiri malite na mbu? Ositere na ihe aghom? Onwere ike onwere, onye huru nne Ogwumagana ka o daara otu mgbe n'elu osisi gbapue ma musia umu. Kedu otu Ogwumagana si amu nwa? Ufodi Ogwumagana na amu nwa na osisi. Ufodu ha na eyi akwa n'ime ala ebe owu -oku na igirigi nke udu mmiri na enyere ha aka imu nwa.

Otutu na tu ujoo Ogwumagana ma gbue ha. Nkea nwere ike ibu na Ogwumagana na eme umu ihe di iche iche. Ha nwere ike itughari agwugwa ebe obula ha no.Ha nwe kwara ike itughari mkpuru anya aha abuo otu mgbe ha na kwa eje ije nwayo n'udi buru umu ihe ndia na atu ndi mmadu ujoo.Mana ha na eche-kwa ya n'aka onye iro ma nye kwa akaikutara ha erimeri. Ogwumagana nwere itu agwa di iche iche. Ha nwere ike imee itughari ahihia ndu,nke ododo,nke oji, nke obara obara,na nke uhie. Ha nwe kwara ike ime ka agwugwa di ime ma obu di mfe nwe kwa ike igbu agwa akara ocha nyere gburu-gburu ebe onwetere onwe ya. N'ihi otutu umu agwa ndi mmadu chere na ha bu bu nsi mana ha adighi otua ma otu.

Ogwumagana enweghi nsogbu ebe ndi mmadu no nke ona emeru ndi mmadu ahu, dika otu ndi mmadu siri chee, igaghi anwu ma obu tuo agwugwa ma otua gi. Anu a na enyere anyi aka iri umu ukpara n'umu ahuhu ndi nke na erichapu ihe akuko ubi.Nkea bu nnukwu mkpa merenu aga eji hapu ha ka ha biri.

*Chongololo*

**Kedu Ihe Ochicha Jiri Di Ndu Ebe Ha Anaghi Enye Aka N'uzo Obula?** **Iri Tinkom Ise Na Asato**

Nkea bu ezi ajuju ma osisa ya bu ihe obula nwere oru o na oru n'usoro chi ekere uwa. Ochicha na ijiji so kwa n'usoro chi ekere uwa ikpofu ihe.Ha na eri umu ihe nwuru anwu. Ijiji na umu ifuru osisi ma nyefee n'uzo isi osisi ozo. Otutu umu ahuhu nwere ebe obibi ohuru ha na mmadu bi. Ochicha na umu ijiji na eri erimeri ndi mmadu tufuru.Ma mgbe ufodi ha na ebuwe oria ebufee na nri mmadu na eri. Umu nje oria a nwere ka anyi daa na utee oria n'ihi nkea, anyi kwesiri ikpuchi erimeri anyi mgbe nile.Anyi ga edoobe gburu-gburu ebe anyi ocha mgbe nile. Oburu na anyi eme nkea ijiji na ochicha agaghi enye anyi nsogbu ozo
*Chongololo*

**Onu-ogu Mmepe** **Iri Tinkom Ato**

Mba South Africa nwere otutu umu aku, aku ime ala na ume oku karia South East Asia. Ebe mba South East ka nwe he bu na onu ogugu mmadu.Ugbu a mba South Afrika putara ihe ha amaliteela ichu nta oha na eze bu akpa uche igbo mkpaa ha. Okwere ghota na ha ga emejuputa nkea n'ime afo 21st Century, mgbe ahu anyi ga na ekwu okwu Odum nke South Afrika itu aka ha na Agu Asia.
*Christon Tembo,Vice President Of Zambia/The Courier.*

**Umu Ebi-ogwu** **Nkeji Ise, Iri Tinkom Ano Na Ato**

Ebi-Ogwu huru umu ya n'anya nke ukwu, wee rue otu uhuruchi oloobatara choo umu ya ohughi, ike gwuru ya mgbe ono na nchekasi, oturu nza imata ihe merenu.Umu ukwu nke ohuru bu ukwu Goya oke nwa Ologbo.Onye oshi! iwe were Ebi-Ogwu nke ukwuu. Agam ejide ya owee kee nkwucha n'uzo osisi toro ogologo wee noro.Onara nti inu akwa ube nwa ya n'elu ngalaba osisi ono na okpuru ya. Otu mgbe, otu agadi nwoke biara ebe ono.Ohuru na obi adighi Ebi Ogwu mma, wee juo ya ihe merenu? Oke Ologbo zuru umu m wee zoo ha na elu osisi,bu osisa Ebi-Ogwu.

Enyela nsogbu agadi nwoke gwara Ebi Ogwu, na agam eweturu umu gi. Ogbuturu osisi a ebe Ebi Ogwu gbajeere ichoo umu ya, ma oke Ologbo gbara oso agadi nwoke wee chuwa ya. N'ikpe ahihia ka Oke Ologbo na Oke-Bekee zooro n'ime ahihia ndia. Agadi nwoke a ahughi ya wee gbara gba fee, na eche na o na achu Oke Ologbo. Odi oke osiso Oke Bekee juru Oke Ologbo. kedu ihe obu? Agadi nwoke a na chum oso maka na m zuru umu Ebi-Ogwu bu nkowa okwu Okee Ologbo.Echela uche Oke Ologbo n'ihi na ibu enyi, agam enyere gi aka. N'ututu ya Oke Bekee choogara Ebi-Ogwu,mgbe onwetere ya omalite ikpasara ububo Ekeele Nhunsgu, anurum na ezuru umu gi na oshi uyaahu. Ihe ichoro ugbua bu ebe iga eche kwa umu gi. Enwere ebe zooro ezo iga edoobe ha, onweghi onye ga ahu ha ma ichoo?

Ebi-Ogwu nwere obi oma nke ukwuu ma keele Oke Bekee maka enyem aka ya site na idoobe umu ya ebe ahu zooro ezo mgbe opuru na otu uzo, ma Oke Bekee puru n'uzo nke ozo .Onuru mgbe Oke Bekee bekuru ka Oke Ologbo bia osiso.Mgbe Ebi-Ogwu choputara aghugho a, ogbagha-chiri azu osiso n'ime onu nzunzoo tupu Oke Ologbo erute ma nochie onu uzo. Otu mgbe Oke Ologbo huru nkea,ya ahapu Ebi-Ogwu na ahu udo. N'iwe ebe Oke Bekee no, imeegwara, EbiOgwu jee kwuru Odum Khala. Okowara Odum umu ihe nile, wee rio Odum igosi Oke Bekee ihe oku ji nti oke eme.Odum nwere obi utoo iboobo n'umu onuma onwere Oke Bekee, wee kwe nkwa imejuputa mgbata oso enyem aka. Mgbe Odum na Oke Bekee huru ihu na ihu, obaa mba n'udi agwa eji mara ya,kedu ihem na nu gbasatara gi n'umu Ebi Ogwu?

Obu ezi okwu na ebube Odum di egwu ma ujoo atughi Oke Bekee ma otu. Oji nwayo, nwayo kpuo azu na nkowa okwu ya. I na asiri m asi ana m eche-kwa umu Ebi-Ogwu site na izoo ha na ebe mmadu agaghi enweta ha. Bia ka m gosi gi ebe zooro ha Odum!. Otu mgbe otughariri azu wee gba-kpue ime ohia na oke olu Odum chuwara ya ma Oke Bekee gba-kpuru n'ime onu izoo onwe ya.

Dika otu ihe siri kwuru egbe elu igwe gbara ebe Odum enweghi mmasi mmiri ima ya. Oweeputara umu aji afu-onu ya wee mechie onu a wee ga zeere mmiri n'ime ohia. Mgbe Oke Bekee huru aji ndia ochere na Odum ka no na eche nche, owee noro n'ime onu mmiri ozuzo amalite wee ide gafere onu bupuru umu aji onu Odum a otu mgbe.Mgbe Oke Bekee huru aji a bia kwubia kwutere ya n'onu Oke Bekee tiri mkpu na oke olu ka agbatara ya oso enyem aka, chere na Odum na abia -kwute ya.Otu aji Odum meeturu aka Oke Bekee, owee leeru ya anya nke oma ma ochi toro ya. Nkea bu aji nna,nna anyi ha ujoo adighim. Oke Bekee tufuru aji a wee riputa n'onu weere oso gbala ulo ya.

*Shangani Folktales*

**Agbooho Mere Ka Nro Ya Puta Ihe** **Nkeji Ato, Iri Ano Na Ise**

*(Akuko a bu ihe mere eme ebe Sarah Kellet no ma meriri ihe aghom, ituru ugo mbu n'uche umu aka ya)*

N'ime afo 1985 onwa May, Sarah Doherty Kellet riri elu ugwu Mckinley nke di na Alaska U.A.S Nkea abughi oru akuko ifo onye choro imata ogo ugwu a dikwa na njikere.Mgbe Sarah bu umu aka echiche ya bu ibu onye ogba oso.Onyere onwe ya ozuzu na igwu mmiri na igba inyinya igwe ma nwe mmasi na ebe umu ugwu no. Na igba-afo iri na ato ya nke ime afo 1973, ihe aghom gbara-onwere ihe aghom nke ugbo ala bu nke gaara iwe isi. Ndi dibia bekee leere ya na mbu ekweteghi na o ga di kwa ndu ozo, Sarah gbara mbo inweta ndu ya. Sarah malitegharirі iwe ozuzu na ama egwuregwu, na otu afo olaghachiri azu na asoroma mpi egwuregwu ndia,oturu ugo mmeri n'umu egwuregwu nke ndi ahu na ezughi oke.Msa odighi mba n'ime mmasi n'ihe gbasatara iri umu ugwu.

Dika nwata nwere ako n'uche, omalitere na ugwu ndi nke di obere ma di kwara ya mfe iri nu, iji wee zuo onwe ya dika onye ori-ugwu.Ka igba mbo ya no na abawa- nye n'usoro ako n'uche ya imejuputa mbu na uche ya.Echiche ya no na ugwu Mckinley bu ugwu kachasi di elu na North Amerika, Ogo ya di nari puku isii, iri itolu na ise meters ma juo oyi dika North Pole. Ohere ya iri ugwu Mckinley biara n'ime afo 1985 mgbe akporo ya isonye na otu mmadu ano ndi ozo bu akuru ngwa itulee njem a, Akporo ya maka obi si ike na agbam ume ya. Onwere akuru ngwa buru iche maka onodi ya maka iritu ma obu itutu onwe ya ma nwe kwa obi sie ike bu okwu agbam ume ya. Na iri mkpuru abali abuo na itolu nke onwa April ime afo 1985, akpa uche iri elu malitere. Onwunwa mbu ya bu iri mmiri jubigara oyi oke wee fuo afu mgbidi ya di nari puku ano na itolu meters. Obughi oru nyere ndi nke ahu zuru oke okpodoro isi n'ala nke ukwu nyere onyeji igwe akwa ukwu.Mana Sarah so ndia wee ria elu ugwua. Otu mmepere obere onu ulo di nari puku ise iri ano na ato meters wee noro ebe ahu abali ato mgbe oke ikuku kpoturu.

Na mkpuru abali iri na itolu nke onwa May urukpu gbasara ha imalite kwa njem ha. Ha na Sarah noghidere na eme ihe nile ndi otu a na eme. Na awa iri na abuo n' Alaskam naotu ntobi anya ha ruru isi mmiri Sarah mejuputara ebum n'uche ya ma turu ugo onye riri ugwu n'usoro akuko ukputoro okpu. Dika Sarah, ndu agadi adighi mfe ma otu Anyi kwesiri ukpebi ina enwe omiko maka onwe anyi mana achokwa uzo nke di mfe rie-kwa obere uru, ma okwanu chere na itu ezi amuma maka odi n'ihu. Onwere ike ihe adighi agaziri anyi etu aturu anya dika nwantorobia na gba mbo ihe igaziri mana nke a bu ezi okwu umu ohere di mma na-abiara anyi n'uzo ihe isi ike n'usoro ya.